ÉKWÉ INTERNATIONAL JOURNAL OF IGBO SCHOLARS FORUM FOR SOCIO-CULTURAL ADVANCEMENT (INC) Volume 19, No 2, April, 2026 ISSN: 2476-8448

# NTULERỊTA AGWA ỌJỌỌ, NTARAMAAHỤ HỤ NA MGBAGHARA N'IDUUAZỊ ATỌ NDỊ A HỌỌRỌ

NKE

**Chioma Blessing Onwubie, PhD**
Department of Linguistics and Nigerian Languages

Alvan Ikoku Federal University of Education, Owerri

**+2348032676115** bibymygirl@gmail.com

**Chinwendu Everista Oparah, PhD**
Department of Linguistics and Nigerian Languages

Alvan Ikoku Federal University of Education, Owerri

**+234803878731** chinwendueverista@yahoo.com

## Ụmịedemede

N'ime mmadụ Chukwu kere, ọtụtụ ihe jupụtara n'ime ya nakwa na ndụ ya, agwa ọma na agwa ọjọọ. N'ezie, Chukwu e keghị mmadụ ka ọ kpawa agwa ọjọọ, mana n'ihi ndụ ọjọọ, omume ọjọọ na atụmatụ ọjọọ jupụtara n'ime mmadụ ka mmadụ ji were na-akpa agwa ọjọọ, na-ebi ndụ ọjọọ ma na-emekwa omume ọjọọ. E nwere ọtụtụ ihe na-ebutekarị nsogbu ndị gụnyere: anyaukwu, mkpọrọmaasị, asịrị, oke ọchịchọ, iwe, agụụ na enweghị afọ ojuju. Ebumnuche nchọcha a bụ ka a kwụ sị agwa

ọjọọ n'ọdịnihu site n'inye ntaramaahụhụ onye mere ihe ọjọọ ma site n'otu aka ahụ gbaghara onye mejọrọ. Atụtụ e ji mee nchọcha a bụ Atụtụ Ntaramahụhụ na mgbaghara nke na-akọwa mgbochi na mkpọkọta na-emetụta onye mejọrọ ma nweghachi n'uju mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Usoro a gbasoro bụ usoro nke nkọwa bụ nchọcha nke gbasara ndụ mmadụ, agwa ndị mmadụ na-akpa na ịmata echiche mmadụ banyere okwu akpụ n'ọnụ. Ihe e jiri mee nchọcha a bụ akwụkwọ agụmagụ Igbo atọ ndị a họọrọ. Ha bụ Omenụkọ nke Nwana (1933) *Isi Akwụ Dara n'Ala* nke Ubesie (1973) na *Agharata* nke Ezikeojiakụ (2009) dere. Nchọcha a gosiri n'eziokwu na mmadụ ikpa agwa ọjọọ adịghị mma. Ọ na-ebutekarị nkọcha na ọnwụ. A chịkọtara nchọcha a site n'ịkọ nkenke akụkọ gbasara akwụkwọ atọ a họọrọ ma gosipụtakwa ndị kpara agwa ọjọọ n'ime ha, Nye ha ntaramaahụhụ ma gbagharakwa ha nke a bụrụ ịdọ aka na ntị nye ọhanaeze na onye ọ bụla wepụ aka ime ihe ọjọọ n'ihi na ndụ adịghị n'ime ya.

## Ndubata

Mgbe Chukwu kere eluigwe, kee anụmanụ na ọtụtụ ihe ndị ọzọ, mmadụ ka o kere n'ikpeazụ. Mmadụ a ka ọ hapụrụ ihe niile ka o lekọtawa ma biri naanị ya. Nke a adabaghị n'ihi na ọ bụ naanị ya nọ, nke a mere Chukwu jiri nye ya nwaanyị ka ya na ya biri maka na sọ ya biri ndụ ga-ahịa ya ahụ. N'ihi nke a ọtụtụ mmadụ jupụtara ụwa na-ebiko ndụ ọnụ, na-emekọ ọtụtụ ihe ọnụ. Onye na-eme ihe ọ bụla iji kpata ego, ọ bịakwute onye na-ere ahịa wee zụrụ ihe ọ chọrọ ebe ya onwe ya ga-esi otu a nweta ego ga-enyere ya aka maka ihe ndị ọzọ. N'ụzọ ndị a niile, ụwa abụrụ aka nri kwọọ aka ekpe, aka ekpe akwọọ aka nri.

Anọzie, Anọzie na Anọzie (2014) kọwara na ọ bụghị ihe akị ilu na-ada na ntị ka ọ na-atọ n'ụtọ n'ụfọdụ mgbe, nsogbu jupụtara elu ụwa a bụ mmadụ na-ebute ha niile. Mgbe mmadụ na

ibe ya na-ebikọ ọnụ, na-azụkọ ahịa, na-arụkọ ọrụ dị iche iche ọnụ, nsogbu dị iche iche na-adị na-adapụta. Nsogbu ndị a na-ebute nghọtahie. Nghọtahie nwekwara ike bute iwe na ọnụma. N'ụzọ ndị a, ọgbaaghara eju elu, ju ala. Ịkpọ asị, mpụ na aghụghọ, ọgụ, oshi na ama na ntọrị abụrụzie ụzọ ndụ ndị mmadụ n'ọgbọrọgbodọ ha.

Agwa ọjọọ abụrụzie ihe na-arị ibe ya elu, mmegide nke na-ebute iwe na ọnụma, akwa arịrị na e mee, e megwara abụrụ ihe dị n'etiti mmadụ na ibe ya. Onye e mejọrọ na-achọ ụzọ imegwara, ebe onye mejọrọ na-anata ntaramahụhụ. ụdị ntaramaahụhụ a na-agbado ụkwụ n'ụdị agwa ọjọọ o mejọrọ onye ahụ. Ụfọdụ mgbe nsogbu a na-abụkarị n'ụdị ọgụ, esemokwu, mmegwara, igba alukwaghịm, mgbapụ n'ụlọ, igbu mmadụ pịị, ịkwụ sị ịrụ ọrụ dg.

Mana isiokwu dị mkpa n'ederede a bụ na mmadụ mee ibe ya ihe ọjọọ, na o kwesịrị ka o gosiputa na o mere ihe ọjọọ, onye e mejọrọ kwesịkwara ịnwe mgbaghara n'ebe onye mejọrọ ya nọ, ederede a chọrọ ka onye ọ bụla mụta ka e si agbaghara ndị ọzọ mgbe ha kpara agwa ọjọọ megide ha.

## Ihe Iduuazị Pụtara

Dika Dike (1989) siri kọwa ya Iduuazị nọchiri anya ihe ndị Bekee kpọrọ 'novel' okwu abụ ọ mewere iduuazị. Nke mbụ bụ 'iduu' ebe nke abụ ọ bụ 'azị'. Iduu bụ otu ụ dịrị ifo ndị Igbo nke gbakwasara ụkwụ na mmekọrịta ndị Igbo na ndị Edo mgbe ochie. Azị Pụtara 'ugbu a'.

Dike (1989) kwuru n'akụkọ iduu nke e si na ya nweta iduuazị, a na-enwe eze Iduunaọba nke bụ eze ji aka ike achị ndị obodo ya. Iduunaọba nwere ọtụtụ ndị ọrụ ma nwekwaa ọtụtụ ndị agha. N'obi Iduunaọba, a na-ahụ mmadụdị ka ọgbugwangwa, nke ọrụ

ya bụ igbu mmadụ, ọraọbara, nke bụkwa onye ọzọ na-egburu iduunaọba mmadụ, na Afọefuala nwa Iduunaọba. N'otu akụkọ a, a na-enwe odogwu nke bụ onye ga-abịa rụnye Iduunaọba aka n'anya. Ndị Igbo nwere ọtụtụ ihe ha ji ama odogwu. Odogwu na-adị ezi omume. Ọ gaghị abụ onye na-akpachara anya mesie mmadụ ike ma ọ bụ were ike ya nara ndị mmadụ ihe ha. Ọ na-abụ onye siri ike nke na mgbe ụfọdụ, a na-eche na ọ bụghị mmadụ. Odogwu na-agwọ ọgwụ nke ukwuu.ọmụmụ odogwu na-apụ iche. Mgbe ụfọdụ a na-asị na nne odogwu amaghị nwoke wee mụ ọ ya. E nwere ike mụ ọ odogwu, eze eju ya ọnụ ma ọ bụ o nwee mkpụrụ aka isii na mkpụrụ ụkwụ isii.

Dike (1989) gakwara n'ihu kwuo na Ugonna sịrị na odogwu dịka nkụ na-akwụ anwụrụ, a lọpụ ya n'ọkụ, oyi egbuo mmadụ ma a hapụ ya n'ọkụ, anwụrụ akwụ gbuo mmadụ. Ihe Ugonna na-ekwu ebe a bụ na mgbe ụfọdụ odogwu nwere ike were mba bachichaa ndị nọkwere ya ntị ma ọ bụ na-akparị ha na ha adịghị ike ka ya. Nke a nwere ike na-ewute ndị obodo ma ha agaghị achọ ka odogwu nwụ ọ maka ọ na-azọpụta ha n'ajọ ihe. E nwere ike ịsị na odogwu bụ anụ nwa ebule, ọ dị arụ, ọ dị arịkwa.

Mgbe odogwu na-anwụ, ọtụtụ mgbe ndị mmadụ agaghị ama ihe mere ya. O nwere ike nọkata fuo, mmadụ agaghị ahụ kwa ya anya ọzọ. Akụkọ gbasara odogwu karịrị akarị ma ihe dị mkpa bụ na odogwu abụghị mmadụ nkịtị, ọ ga-abụ mmadụ ọha, nwere ihe e jiri mara ya. Obodo ga-ahụ ya n'anya n'ihi ezi akparamagwa ya na nzọpụta ọ na-azọpụta ha n'ajọ ihe. O nwere ike bụrụ dimgba si obodo ọzọ ka odogwu ga-azọpụta ndị obodo ya n'aka ya, ma ọ bụ ọ zọpụta ha n'ahụ anụ ọhịa. Ihe ndị a ga-eme ka ndị obodo nwe mmetụ taobi, obimmeruwe na egwu ọtụtụ mgbe ọ ga-apụta ka ya na Iduunaọba maa aka mara onye ka ibe ya. Ndị obodo ga-eche na ọ ga-esi otu a nwụ ọ.

Iduunaọba ga-edunye odogwu njemegwu. Iduunaọba na-agwa odogwu na o jechaa njem ahụ lọta, ya bụ Iduunaọba ga-apụrụ ya

n'oche eze, ma ọ bụrụ na ọ lọtaghị, nke ahụ ga-abụ ihe ya na chi ya kpatara. Odogwu ga-anabata, nke a were jewe njemegwu ahụ.

N'ije ya odogwu ga-enwe ọtụtụ mmekpaahụ na ọnwụ nwa. Ọ na-esi n'ezi akparamagwa ya nweta enyemaka n'aka ndị dị iche iche, ma mmụọ , ma mmadụ. N'ikpeazụ, ọ ga-eji isi ya lọta ma turu ugo. Mgbe ọ lọtara Iduunaọba ga-apụrụ ya n'oche eze. Ọ ga-anọchi Iduunaọba chịwa ndị obodo ya ezi ọchịchị.

Eke (2001) kọwara "prose" dịka iduuazị bụ okwu e dere ede nke abụghị asụsụ e deziri nke ọma na-egosi mmetụta na mmụọ, nke Pụtara na ọ bụghị asụsụ niile e dere ede bụ Iduuazị, ma okwu e deziri nke ọma nwere ike imetụ ta ndụ mmadụ nke dị n'ụdị ọdịnịgha bụ Iduuazị. Ekwealor (2009) kọwara Iduuazị ya n'ụzọ atọ: Akụkọ gbasara ihe mere eme, nke na-adịkarị n'ụdị akọndụ onye ma ọ bụ akọndụ onwe, akụkọ ihe mere eme a rọgharịrị arọgharị nke odee na-akpacha anya rọgharịa ihe mere na ndụ mmadụ ma ọ bụ ndụ obodo ma ọ bụ agbụrụ ka aha onye a na-ede maka ya ma ọ bụ ebe a na-ede maka ya ghara ịpụta ihie, nke ọzọ bụ Iduuazị a rọrọ arọ kpọm kwem. Ọ bụ n'ụdị iduuazị a ka ọtụtụ Iduuazi e dere n'Igbo dị bụ nke odee ji ekereuche ya chepụta akụkọ ya ma were asụsụ nka depụta ya. Ihe Ekwealor na-akọwa bụ na Iduuazị bụ akụkọ ihe mere eme na-adịkarị n'ụdị akọndụ onye, ma ọ bụ rọgharịa ihe mere eme ka ọ ghara ịpụta ihie nakwa akụkọ arọrọ arọ nke e ji ekereuche chepụ ta, ma were asụsụ nke depụta ya.

Abrams na Harpham (2012) kwuru na, Iduuazị bụ nkensonye okwu ekwumekwu ma ọ bụ ederede niile nke na-abụghị usoro vaasị. Boring, Hawthorn na Mitchel (2010) kwuru na, Iduaazị siri n'okwu Latin pụta nke na-akọwa na iduuazi bụ okwu n'ụzọ kwụ ọtọ. Ihe odee ndị a na-akọwa bụ na Iduuazị bụ ekwumekwu ma ọ bụ ederede niile nke kwụụrụ onwe ya bụ nke na-adị n'usoro ma ọ bụghị n'ụzọ ahịrị ma ọ bụ amaokwu ma ọ bụ vaasị. Ndị nchọcha gosipụtara iduuazị dika "akụkọ ugbu a nke

na-ezipụta ihe na-eme eme, nke merela nakwa nke ga-eme eme na ndụ mmadụ". Ha gakwara n'ihu kwuo sị na iduuazị bụ ihe ga-enwe obinkonelu n'ebe onye na-agụ ya nọ, nke ga-eme ka ọgụụ chọọ ka ọ matacha ihe mere n'akụkọ n'ikpeazụ. N'echiche nke Anọzie, Anozie, na Anozie, (2014) "Iduuazi bụ otu n'ime ụdị agụmagụ atọ e nwere n'asụsụ Igbo nke na-abụ ogologo akụkọ ndị a na-ede n'isi n'isi nakwa na nkeji edemede na nkeji edemede." Ha gakwara n'ihu kwuo si na iduuazi nwere ike ịbụ akụkọ mere eme ma ọ bụ akụkọ a rọrọ arọ nke odee na-ekwu uche agwa niile dị n'akụkọ ya. Okoro (2012) gosipụtara iduuazi dịka akụkọ a sara anya mmiri were hazie, nke onye na-ahazi ya na-abanye n'ụlọ echiche wee chepụta ụdị akụkọ na-emetụta ndị mmadụ na ihe na-eme n'ụwa anyị nọ n'ime ya taa". Nke pụtara na iduuazi Okoro kọwara gbadoro ụkwụ n'echiche echepụtara dị mma n'ụzọ akụkọ nke ụdị ya na-emetụta ndụ mmadụ nakwa ihe na-eme n'ụwa taa. Nebolisa (2015) N'uche nke ya, gosipụtara iduuazị dịka nke e deturu edetu n'akwụkwọ. Ọ gakwara n'ihu kwuo sị, n'iduuazị onye odee iduuazị na-esite n'isi akwụkwọ deruo n'isi akwụkwọ nke ọzọ. O kere agụmagụ iduuazị ụzọ ise nke gụnyere: iduuazị akụkọ ifo, iduuazi ọṅụ, iduuazị ọdachi, iduuazị ihunanya, na iduuazị agha.

Okoro (2012) n'echiche ya gosipụtara iduuazị dịka ụzọ dị icheiche mmadụ si egosipụta ihe na-eme n'ụwa taa site n'ịkọwa ụdị ndụ mmadụ birila. N'uche ndị nchọcha, iduuazị bụ otu n'ime ngalaba agụmagụ nke a na-esite na ya ezipụta ihe dị iche, ọma ma ọ bụ ihe ọjọọ, nke e nwere ike site na ya akuzi ihe nke ga-enyere ndị mmadụ aka n'obibi ndụ ha nke ụfọdụ ndị odee dere iji kuziere ọhanaeze ihe dịka isepụ aka n'ihe ọjọọ (nrụrụaka) dị iche iche. Iduuazị n'aka nke ọzọ bụ iduuazị a kọrọ n'ọnụ ma ọ bụ edereede banyere ndụ mmadụ, obodo, ihe ọhụrụ na-apụtakarị n'ụwa na-eme eme nke a na-arọgharị na-anaghị abụcha eziokwu oge ụfọdụ, nke e jiri ekereuche chepụta ga-emetuta ndụ mmadụ. Ọ bụ ihe na-agbado ụkwụ n'ihe ndị a na-ahụ ta na ndụ mmadụ

n'ụwa anyị nọ n'ime ya dịka mkpọrọmasị, ịhụnanya, mmegide, ekworo, anyaụfụ, anyaukwu, dgz. tinyekwara omenaala na nkwenye dị iche iche na-ewu n'oge ahụ e dere ya, bụ nke e ji akatọosị nrụrụaka a na-ahụta na ndụ ndị mmadụ nke ga-eme ka ndị na-eme ụdịrị nrụrụaka ndị ahụ wepụ aka enwe n'ofe tupu ya aghọọ aka mmadụ. Ọzọ kwa bụ na a na-esitekwa na ya kwado agwa ọma nke ga-eme ka ndị na-akpa agwa ọma jide nke ha ji.

Mgbe mmadụ na ibe ya na-ebikọnụ, na-azụkọ ahịa ma na-arụkọ ọrụ dị iche iche, a na-enweta nsogbu n'ụdị nghọtahie nke nwere ike ibute ọnụma, ọgụ, ịkpọ asị, mpụ na aghụghọ, ohi, ama na ntọrị. Ya mere nsogbu nchọcha a bụ igosipụta agwa ọjọọ, ntaramaahụhụ na mgbaghara, ịchọpụta asụsụ e jiri kọwaa agwa ndị mere ihe ọjọọ, ịmata atụmatụ okwu e jiri dee akwụkwọ ya na ihe mmụta dị na iduuazị. Nke a bụ ihe ndị emere iji gbochie ihe ọjọọ iga n'ihu.

## Agwa ọjọọ

N'ebe a e lebara anya n'ọtụtụ edemede ụmụ amaala dị iche iche derela gbasara agwa ọjọọ.

Chukwu ekeghị mmadụ ka ọ kpawa ajọ agwa, ọ bụ agwa ọma ka Chukwu kere mmadụ ka ọ kpawa, mana n'ihi ndụ ọjọọ, ọ mụ tara n'ime mmadụ ka mmadụ ji were na-akpa agwa ọjọọ, na-ebi ndụ ọjọọ ma na-emekwa omume ọjọọ.

Ọfọmata (2012) kwuru na agwa ọjọọ bụ mmadụ ịkpa agwa ma ọ bụ ime omume ndị mmadụ kpọrọ asị ma ọ bụ jụ ịnabata n'etiti ha. ọ gakwara n'ihu kọwaa na agwa ọjọọ bụ omume ndị ọha mmadụ ma ọ bụ ọha obodo hụrụ dị ka ndụ ezighị ezi nke pụtara na agwa ọjọọ bụ ngosipụta ọjọọ ihe mmadụ mere nke ọha obodo ma ọ bụ ndị mmadụ na-ahụ wee gbarụọ ihụ ma ọ

bụ kwupụta na ihe ezighị ezi mmadụ ime ya. Okafọ na Ewelukwa (2012) sịrị agwa ọjọọ bụ ihe adịghị mma ụmụaka na-eme. Ọ bụ ime ihe ọjọọ nke obodo na-asọ nsọ, ọtụtụ mgbe ha na-amụta ya n'aka nne na nna ha ma ọ bụ site n'ụlọakwụkwọ ha na n'aka ụmụaka ibe ha. Nke a pụtara na agwa ọjọọ bụ mmadụ ime ihe n'ụzọ n'ezighị ezi, n'ụzọ akwụghị ọtọ na mmadụ ime ajọ omume. Ọ bụkwa mmadụ ime ihe otu ọ ga-adị ya onwe ya mma ma n'ebe ndị ọzọ nọ. Ihe ọ na-eme anaghị emetụta ndụ ha, nke pụtara na onye ahụ na-ebi ajọ ndụ.

Ajọ ndụ dịka Anọzie (2003) kọwara n'uju na ndị Igbo na-eji anya gbarụrụ agbarụ na obi jupụtara n'iwe na-ele onye na-ebi ajọ ndụ. Ha anaghị ekwe ka ha na onye na-ebi ajọ ndụ na-emekọ ihe. Nke a pụtara na a na-eze onye na-ebi ajọ ndụ eze. N'uche Anozie, o nweghị onye na-enwe ntụkwasị obi n'akparamagwa onye na-ebi ajọ ndụ n'ụdị ihe o nwere ike ime n'otu nkeji dị n'ihu. O nwere ike kọchaara gị maka mmadụ na ajọ ihe niile onye ahụ na-eme, i chee na ihe ọ na-ekwu bụ eziokwu, ị gaghị ama na ikwu okwu asị na ịgba asịrị bụ ngwaọrụ ndị na-ebi ajọ ndụ.

Ọzọ ka ibe ya na Anọzie kọwara na onye na-ebi ajọ ndụ ejighị ịkparị mmadụ kpọrọ ihe ọ bụ la. Ọ bụrụgodu onye tọrọ ya ma ọ bụ onye karịrị ya n'ọkwa, ụdị okwu ọ ga na-agwa ndị mmadụ n'ụdị ileda anya ga-agwa mmadụ kpọm kwem na ha tosiri iji ogologo ngaji dịka onye ya na ekwensu na-erikọ nri n'otu efere, onye dịkwa otu a anaghị edebe nso obodo. Na nchịkọta agwa ọjọọ bụ ihe na-adịghị mma n'ebe Chukwu nọ nakwa n'anya mmadụ.

## Atụtụ

N'ime nchọcha a, e elebara anya na Atụtụ abụ ọ; Atụtụ ntaramahụhụ na Atụtụ mgbaghara n'ihi na ndị Igbo kwenyere na

onye mere njọ na-anata ntaramahụhụ. Atụtụ ntaramahụhụ kere onwe ya ụzọ abụ ọ, utilitarian Atụtụ na Atụtụ retributive mana Atụtụ nke ga-akọwa nchọcha a bụ Atụtụ utilitarian nke bụ ntaramahụhụ nye ndị dara iwu iji gbochie ndị ọzọ ka ha ghara ịda ụdịrị iwu ahụ n'ọdịnihu. Ọ bụkwa ịdọ aka na ntị nye ndị dara iwu ka ha ghara ịda iwu ahụ ọzọ na ndị agwa ọjọọ nọ na ọha obodo.

Atụtụ mgbaghara bụ mkpokọta na-emetụta onye mejọrọ na mweghachi n'uju mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ọ bụkwa ụzọ nchefu na ihapụ iwe nke ihe ngbu onye butere ibe ya. Ihe Atụtụ abụ ọ ndị a na-akọwa bụ na ụwa mmadụ nọ n'ime ya, mmadụ na-emejọ mmadụ ibe ya, o kwesịrị ka mmadụ nwee mgbaghara ọ ga-egosipụta n'ebe onye mejọrọ ya nọ, nke ọzọ bụ na ihe na-esote agwa ọjọọ na-abụkarị ntaramaahụhụ mana na nchọcha a, a chọrọ ka onye ọ bụla mụta ka e si agbaghara ndị ọzọ mgbe ha kpara agwa ọjọọ megide mmadụ ibe ha. Ọ ga-abụkwa ịdọ aka na ntị nye ndị mmadụ ka ha ghara ime ihe ọjọọ n'ọdịniihu.

**Ụzọ Nsekasị**

Ebe a, elebara akwụkwọ atọ ndị a anya nke ọma iji wepụta okwu a kpụ n'ọnụ.

***Omenụkọ***

Akụkọ a gbasara otu nwoke a kpọrọ Omenukọ, bụ onye ihe na-agara ya nke ọma n'azụ mahịa ya. Ọ na-esite na be ha bụ Okigwe gaa azụmahịa na Bende. N'otu oge, ka o bu ngwa ahịa ya aga ahịa na Bende, ma ngwa ahịa ya niile dakpunyere na mmiri a na-akpọ Igwu. Ihe sotere ọdachi a bụ na Omenụkọ refuru ndị ibu ya niile na ndị na-amụ ịzụ ahịa n'aka ya, tinyekwara otu nwanna ya bụ Obiọha.

Ka nke a mechara Omenụkọ na ụmụ nne ya gbapụrụ gbalaa Mgbọrọgwụ bụ obodo ha na ndị Okigwe na-eririta mgbalata. Ka Omenụkọ nọ na Mgbọrọgwụ, ihe malitere gawara ya nke ọma; nke a mere na ọ ghọrọ nnukwu ọgaranya a maara nke ọma. Mgbe eze ndị Mgbọrọgwụ nwụrụ, ọ bụ Omenụkọ weghaara warrantị ya n'aha obere nwa eze ahụ bụ Obiefula. Omenụkọ mechara hụ na ọ dị nnukwu mkpa na ya laghachiri obodo ya. Tupu o mee nke a o jisiri ike chọpụtachaa ebe ndị ahụ niile o rere nọ ma gbapụtachaa ha, e wepụ naanị otu onye nwụrụ anwụ. Ọ laghachitere obodo ya ka o nwe udo na ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ ma ụmụ mmụọ site n'aja dị oke ọnụ ọ chụrụ. Akwụkwọ a gbakwasara ụkwụ n'Atụtụ ntaramaahụhụ na mgbaghara.

**Ihe Mmụta:** Mmadụ inwe ndịdi oge ọ bụla nsogbu dakwasara ya.

## Agwa ọjọọ, Ntaramaahụhụ na Mgbaghara n'Omenụkọ

Omenụkọ megidere nwanna ya na ụmụaka na-amụ ahịa n'aka ya site n'irefusi ha mgbe ngwa ahịa ya dum danyere na mmiri mgbe ha na-aga ahịa na Bende. Omenụkọ mejọkwara nne na nna ụmụaka ndị a n'ihi na o nweghị onye ọ ga-adị mma n'obi na ọ kpọnyere mmadụ nwa ya, o ree ya n'ihi na ngwa ahịa ya danyere na mmiri. Omenụkọ mejọkwara Chineke n'ihi na ọ bụ Chukwu kere mmadụ niile ndị Omenụkọ resịrị ndị na-azụ ahịa mmadụ. Omenụkọ wee resie ụmụ ntakịrị ahụ ndị na-amụ ịzụ na ire ahịa, rekwaa ụfọdụ n'ime ndị ibu ya, ndị bụ ụmụ okorobịa, rekwaa otu nwanne ya nwoke.

Ndị nwe ụmụaka ndị a zipụrụ ozi chọpụta na Omenụkọ rere ụmụ ahịa ya ere. Ụmụnne Omenụkọ matara na ihe Omenụkọ nwanne ha mere bụ ajọ ihe na nsọala, ha wee tụọ aro ka ha niile gbaga n'obodo Mgbọrọgwụ izo ndụ ha. Ndị obodo zipụ kwara ozi ịmata ebe Omenụkọ na ụmụ nne ya gbagara ''Ndị ahụ e zipụrụ wee laghachi n'echi ya wee kọọrọ ndị ala anyị ihe mere,

na ọ bụ n'ụlọ onye eze bụ Mgbọrọgwụ ka ha lara'' Peji (14). ọsọ a Omenụkọ na ụmụ nne ya gbagara n'obodo Mgbọrọgwụ bụ nnukwu ntaramaahụhụ nye ha niile nakwa ihe O mere n'ebe ndị ahịa na ndị ibu ya nọ. ọ bụ ntaramaahụhụ n'ihi na mmadụ mee ihe o ji agbapụ ọsọ n'obodo ya gbaga obobdo ọzọ bụ nsogbu, bụrụkwa ntaramaahụhụ nye n'ebe ya onwe ya nọ n'ihi oke echiche ọ na-eche gbasara ajọ omume ya, maka na mmụọ ya na ama ya ikpe. ''Ya na oke uche nọ mgbe dum n'ihi ihe ahụ o mere. Mmụọ ya mara ya ikpe nke ukwu, ọ bụ ezie na Omenụkọ anọkaghị n'ala anyị n'oge ahụ, ma mkpụrụ obi ya enweghị ozuzu ike, ọ nọkwaghị n'otu ebe n'ihi ihe o mere''peji (15-16)

Echiche ịlọghachi ụlọ nna ya na ịrịọ mgbaghara metụrụ ya n'obi nke mere o jiri kpọọ enyi ya nwoke Igwe ka o si n'aka ya chọpụta ndị niile ahụ o rere. Igwe nyere aka kpọlata atọ n'ime ha ma otu onye nwụrụ n'ọrịa afọ. Ọṅụ jupụtara Omenụkọ n'obi wee lụọrọ Elebeke na Arịsa nwaanyị, lụkwaara nwanna ya Obiọha ụmụ nwaanyị atọ n'ala ha. Omenụkọ siri nri ma rịọ ndị e rere ere na ndị ha arịrịọ na mgbaghara: ''Bikonụ, gọọrọ m ọfọ ka ihe ọjọọ gafere agafe gwụ onye ọ bụla n'obi. Ha wee gọọ ọfọ sị… Ya dikwara gị mma, dịkwara anyị mma. Ọkụ nnu na mmanụ emele gị ihe, ya emekwala anyị'' Peji (56).

Mgbaghara ọzọ pụtara ihe na akwụkwọ *Omenụkọ* bụ mgbe Eze mmụọ gụpụtaara Omenụkọ nsọala maka arụ o mere iji wee nabatagharịa ya. Onye isiala wee pụta were akwa ọkụkọ hie n'ọnụ ugbo anọ na-asị: ''Ma m kwuru mma, ma m kwuru njọ megide Omenụkọ na ụmụ nne ya, ọ bụ njọ ahụ ka anyị na-ehichapụtaa. Anyị na ha abụrụkwala nna na nwa. Nna nna anyị ha nụrụ nụ, olu mmadụ bụ olu mmụọ, anyị na ha abụrụkwala otu. Ihe anyị na-asọ nsọ ka ha na-asọkwa nsọ ugbu a''.peji (67). Ọ bụ otu a ka ndị ụlọ Omenụkọ siri mgbaghara ya.

## *Isi Akwụ Dara N'ala*

Isi akwụ dara n'ala bụ iduuazị, akụkọ a rọrọ arọ nke na-akọ maka Ada, nwata nwaagbọghọ bitụrụ mma aka mana o nweghị di. O teghị aka Chike abata na ndụ Ada, ha wee lụọ di na nwunye mụta ụmụ abụọ Obianuju (nwaanyị) na Chukwuma (nwoke). Ada na Chike bigidere nke ọma rue mgbe e bidoro agha Naịjirịa na Bịafra. Mgbe ahụ ka nsogbu malitere. Ada bidoro ahịa nnu, na-eme nke ọma n'ahịa ahụ, ego ọ na-enweta bịara buo ya isi na ọ na-eledazi, Chike, di ya anya, wee gbapụ n'ụlọ Chike gakwuru ndị amị Bịafra, ha a na-eme enyi, ebe agụrụ na-emenyụ Chike na ụmụ ha abụ ọ anya.

Agha mechara kwụ sị, Chike bụrụkwa akajiakụ ọzọ nke na ego o nwere karịrị akarị. Ada chegharịrị ma lọghachite azụ na be Chike ịrịọ ya arịrịọ na mgbaghara, ma Chike dapụrụ n'ọchị chetara Ada okwu ọ gwara ya "Di gbakwaa ọkụ", na ya bụ Chike agaghị eri ihe e rifọrọ erifọ. Chike nyere ya ego ụ gbọala sị ya si be ya pụọ. Akwụkwọ a gbakwasara ụkwụ n'Atụtụ ntaramaahụhụ na mgbaghara.

**Ihe mmụta** Nwaanyị lelịa di ya, ike akpọọ ya nkụ

### Agwa ọjọọ, Ntaramaahụhụ na Mgbaghara N'*Isi Akwụ Dara N'ala*

Agha Naịjirịa na Bịafra buteere Ada ịkpa agwa ọjọọ n'ebe Chike nọ site n'ịhapụ di ya na ụmụ ha abụọ mụrụ gbakwuru ndị amị ya na ha na-eme enyi. ''ụbọchị Chike ji chọọ ịkwụ ụdọ bụ ụbọchị ndị soja abụ ọ chọọrọ Ada bịa, kwụwa moto ha n'ezi bịa jụọ Chike ma Ada ọ nọ ya. Chike jụrụ ha ndị ha bụ ma ọ dighị nke tupụrụ ya ọnụ, hapụ ya n'ezi ebe ahụ, bakwuru Ada n'ime ụlọ''peji (80).

Ntaramaahụhụ sotere agwa ọjọọ Ada kpasoro Chike bụ na Chike hụrụ ndị soja abụ ọ bịara n'ụlọ ha, wee jiri iwe ọkụ maa Ada

akanti, Ada kpudoro ihu n'ala na-amaghị ihe ọ ga-ekwu gbasara ajụjụ Chike jụrụ ya maka ndị soja abụ ọ ndị ahụ. Ntaramaahụhụ ọzọ bụ mgbe agha biri Ada gakwuru otu n'ime ndị enyi ya nwoke ka ọ lụwa ya, nwoke ahụ zara ya sị; "Ada ka m gwa gị eziokwu, nke mbụ bụ na alụ ọla m nwanyị… nke ọzọ, ọ bụrụ na achọrọ m ịlụ nwanyị abụ ọ, ọ bụghị gị ka m ga-alụ, n'ihi na e ji ihe mere oge ochie amara ihe ga-eme n'ọdịnihu.

Chike agbagharaghị Ada naanị ihe o mere bụ inye ya ego ụgbọala sị ya lawa na ya bụ Chike agaghị eri ihe e rifọrọ erifọ na isi akwụ dara n'ala edetụ la aja. N'uche nke m ihe Chike mere adịghị mma site na enweghị mgbaghara n'ebe Ada nọ. Ọ bụ eziokwu na Ada kpasoro Chike di ya agwa ọjọọ mana ọ bụ agha ghasara ihe niile butere agwa ọjọọ Ada.

## *Agharata*

Akwụkwọ a na-akọwa otu odogwu nwoke aha ya bụ Okonkwo. E ji iyi egwu, iwe na olu mba ike mara ya. Ọ naghị asọ anya. Ọ bụ ọkamgba ma bụrụkwa onye omenaala Igbo doro anya nke ọma. Obodo ụmụ ọfịa bụ ebe Okonkwo siri pụta bụ obodo na-echekọ echiche ọnụ , nwee otu nghọta; ikwukọta okwu ọnụ na imekọta ihe ọnụ ma na ọbịbịa nwa Bekee betọsịrị eriri jikọtara ịdị n'otu obodo a. Okonkwo gburu ọchụ dị iche iche, ọ gbara nwunye ya nke abụ ọ egbe ma o nwetaghị ya. ọ mịPụtara mma gbutuo Ikemefula isi ka a ghara ịkpọ ya onye umengwụ, o gburu nwa Ezeudu nke dubara ya nchụ pụ na imebisi ihe niile o nwere. Ọchụ nke dubara ya ịkwụ ụdọ bụ ibepụ isi nwa ozi D.C. Ike niile ọ kpara bụ ịzọ ndụ na omenaala obodo ya bụ nke mere o jiri nwụ ọ dịka nwa sịịsịị. Akwụkwọ a gbakwasara ụkwụ n'Atụtụ ntaramaahụhụ na mgbaghara.

**Ihe Mmụ ta:** Iwe iwe na iyi egwu adịghị mma.

## Agwa ọjọọ, Ntaramaahụhụ na Mgbaghara N'*Agharata*

Okonkwo tiri nwunye ya Ojiugo ihe n'ihi na ọ lọtaghị n'oge iji sie nri ehihie nye di ya Okonkwo. Okonkwo echetaghi na obodo ya nọ n'izu udo, anaghị ese okwu ma ọ bụ lụọ ọgụ n'oge a. Eze mmụọ bịara be Okonkwọ wee kụọ mkpọ ya n'ala kwuo na Okonkwo mere arụ.

Agwa ọjọọ ọzọ bụ mgbe Okonkwo gburu Ikemefuna n'ihi nọ ọ chọghị ka akpọ ya onye na-adịghị ike na onye na-enweghị ume. ''ka nwata ahụ ruru n'ọdụ igu n'oge ije ọnwụ, otu n'ime ndị okenye ahụ sepụtara mma ya gbuo Ikemefuna n'azụ. Nwata a aka ya dị ọcha tiri mkpu ọnwụ tikuo nna ya. Ka Okonkwo hụrụ ya ka ọ na-abịa ya nso, ọ mịrị mma ya chapụ Ikemefuna isi'' Peji (58).

Ntaramaahụhụ batara n'akwụkwọ a bụ mgbe Okonkwo gbuchara Ikemefuna, ụra adịghị atụ ya, mmiri ma ọ bụ nri ọ bụla abaghị ya ọnụ. ''Okonkwo na-agbalị ka o chefuo ihe gbasara Ikemefuna ma ndị mmụọ na ndị mmadụ anaghị ekwe ya.''peji (59)

Ntaramaahụhụ ọzọ Pụtara ihe bụ mgbe Okonkwọ gburu nwa nwoke Ezeudu gbara afọ iri na isii, nke a buteere ya ịhapụ ala ya gbaga Ikwunne ya ruo afọ asaa ebe ụmụnna ya gara ga suo elu na ala n'ụlọ Okonkwọ ọkụ. Ntaramaahụhụ ikpeazụ bụ mgbe Okonkwọ bepụrụ nwa ozi D.C. isi, ọ gbapụ n'azụ ụlọ ya ga-akwụ ọ ụdọ nwụ ọ. ''N'oge a ka Obierika na ndị ọzọ duru nwa D.C, na ndị agha ya jee zi ha ebe ozu Okonkwo tọgbọ n'ọhịa. ''peji(153)

## Mgbaghara

Mgbe Okonkwọ gbagara ebe Ikwunne ya o mere ka Uchenna nwanne nne ya mara ka mmiri siri baa n'opi ųgbọgịrị, ya bụ ogbugbu o gburu nwanna ya n'amaghị ama. Nke a mere ọ mata na ọ bụ ọchụ akpachapụghị anya gbuo o mekwara ma kwaa aja udo maka ya.

Mgbaghara ọzọ bụ mgbe onye D.C. jụrụ ndị okenye ma ọ bụ arụ ma ha lie Okonkwọ ma ha zara ya na ọ bụ ihe obodo na-asọ asọ.''Ha rịọrọ D.C. ka ya na ndị ozi ya buru Okonkwọ lie''. Peji (164). D.C. nwere obi mgbaghara n'ebe Okonkwọ nọ ma gwa ndị ozi ya ka butuo ozu okonkwọ. '' D.C. nyere iwu ka ndị ozi totuo ozu Okonkwọ ma buru ozu ya na ndị okenye ahụ gbagowe ụlọikpe''peji (169).

Nke gosiri na ndị Okonkwo jụrụ ịnabata na ndụ, eleghị anya bụ ndị liri ya.

**Asụsụ e jiri Kọwaa Agwa ndị Mere ihe ọjọọ**

A bịa n'*Omenụkọ* nke Nwana dere, asụsụ agwa o zipụtara n'ebe Omenụkọ bụ ndị a:

Oke ọchịchọ

Anyaukwu

Obi ọjọọ

Atụmatụ okwu Agwa ọjọọ kacha apụta ihe na agwa ọmenụkọ

Egbeokwu - "Anya mmiri nke Pụtara n'anya ụmụ mmadụ ụbọchị abụ ọ ruru dị ka mmiri nta" peji (15) Nke a bụ mgbe Omenụkọ

rere ụfọdụ ụmụ ibu ya na ndị na-amụ ahịa n'aka ya, ndị nwe ụmụ ndị a bere oke akwa.

**Asụsụ E jiri kọwaa Agwa ọjọọ Ada N'*Isi Akwụ Dara N'ala* bụ ndị a:**

Ọ nọ na di achọ di

Di gbakwaa ọkụ

Onye nfecharị

Atụmatu okwu agwa ọjọọ kacha apụta ihe na Agwa Ada

Myiri- "ma nne nwaanyị dịka Ada ka na-eterịrị uhie ọnụ" peji (129) Ada ka na-ete uhie ọnụ dịka ụmụ agbọghọ na-achọ dị.

Asinilu "Atụrụ na-anyure ọdụ ya sị na ọ bụ onye nwe ya ka ọ na-anyuchi" peji (144). Nke a bụ mgbe Ada hapụrụ dị ya Chike, soro otu nwoke, ha gaa ịgba egwu si ebe ahụ gaa n'ụlọ ya ọ bụ n'ụtụtụ echi ya ka Ada lọtara.

**Asụsụ e jiri kọwaa agwa ọjọọ Okonkwo n'*Agharata* nke Ezikeojiakụ dere (2009)**

- Onye iwe ọkụ
- Ogbuu ọchụ
- Onye na-aba oke mba

Atụmatụ okwu agwa ọjọọ kacha apụta ihe na agwa Okonkwọ.

Ilu: '' Ma oke gbaa elu gbaa ala, ọ bụkwa ohu ngiga'' peji (61) Nke a bụ mgbe Okonkwọ gburu Ikemefuna ya na-agbagharị

maka echiche, ọ chọ ka o chefuo ihe gbasara Ikemefuna mgbe ahụ ka ihe gbasara Ikemefuna na-abata ya n'echiche.

''Nwa ewu nne ya nọ n'ime ite ofe adanyekwuola 'ime ụ mị''.Nke a bụ mgbe ụmụ ọfịa na-akwa ozu Ezeudu nwụ rụ anwụ , Okonkwọ agba egbe na- amaghị ama gbagbuo nwa Ezeudu, ọ nwụ ọ pịị, nke a ebutere ya na ezinaụlọ ya igbaga obodo nne ya ma nọrọ ebe ahụ afọ asaa ya na ezinaụlọ ya.

## Nchịkọta

Ederede a emeela ka anyị mara site n'akwụkwọ agụmagụ Igbo atọ a họọrọ, Omenụkọ chọpụtara n'onwe ya na ihe niile na-eme n'ụwa abụghị naanị maka ego na akụ naụ ba. O metụrụ ya n'obi na ihe ya mere adịghị mma, ma rịọ mgbaghara chọkwaa ụzọ idoziri ya na ụmụnna ya.

Mgbe Ada metara ndị amị enyi, ntaramaahụhụ ọ nwetara bụ Chike sara ya ụra kpụ ọkụ n'ọnụ. Ka agha kwụ sịrị, Chike mechakwara jụ ịnabatagharị Ada ọzọ dịka nwunye ya. Ada tara nnukwu ahụ hụ nọrọkwa na nnukwu ihe mgbu bịa bụrụ onye a jụrụ ajụ. N'usoro omenaala ka Okonkwo gbalịrị ịkpalite mmụọ ụmụ ọfịa ma ọbịbịa ndị ụka mebiri mgbalị ya, ọ kwụ ọ ụdọ nwụ ọ

## Mmechi

Na mmechi, e nwere agwa ọjọọ, ntaramaahụhụ na mgbaghara n'*ọmenụkọ* na *Agharata*. Ebe e nwere agwa ọjọọ na ntaramaahụhụ bụ n'Isi *Akwụ Dara n'Ala,* e nweghị mgbaghara dị n'Isi *Akwụ Dara N'ala*. Nke a na-egosi na ihe ọjọọ ọ bụla

mmadụ mere ibe ya n'ụwa kwesịrị ka o nwee obi mgbaghara n'ihi na ụfọdụ mgbe ndị mejọrọ anaghị ama ama eme ya, eleghị anya onye emejọrọ nwere ike mejọọ mmadụ n'ọdịniihu e nwekwara ike si otu ahụ gbagharakwa ya, ya mere ederede a chọrọ ka onye ọ bụla mụta ka e si agbaghara ndị ọzọ mgbe ha kpara agwa ọjọọ megide ibe ha.

## Edensibịa


Abrams, M.H., Harpham, G.G. (2012). *A Glossary of Literary terms.International 10th edition*. Australia: Wordsworth Cengage leraning.

Anozie, C.C. (2003). *Igbo kwenụ: Akụkọ na omenaala ndị Igbo.* Enugu: Computer Edge publishers.

Anozie, R.O., Anozie, C.F, Anozie, C.C. (2014). *Agwa ọjọọ Ntaramaahụhụ na Mgbaghara N'Iduuazị Isii*. Enugu: Computer Edge

Chinagorom, L.C. (2013). *Uru Ezi Akanka N'agụmagụ Igbo ugbu a Contemporary Igbo stylistics*. Owerri: I.O. Publishers.

Dike,G.A. (1989) Nghọta mmewere Agụmagụ Onitcha. Kawuriz & Manilas.

Ezikeojiakụ, P. A. (2009). *Agharata.* Owerri: Ark Publishers.

Eke, J.E. (2001) Igbo-English Dictionary (ọkowa okwu) Enugu: New Creation Books.

Ekwealor (2009) Agụmagụ Ederede Igbo N'ozuzuoke; Enugu: Paschal Communication.

Nebolisa, O. (2014) ọmụmụ agụmagụ Igbo. Awka: Samosa Press.

Nwadike, I.U. (1992). *Ntọala agụmagụ Naịjiriạ*.Ifunanya pubishers.

Nwana, P. (1963). *Omenụkọ*. Enugu: Longman Nigeria.

Ofomata, C.E. (2012) *Omenaala na ọdịnaala ndị Igbo*. Enugu: Format pubishers.

Okafọ, C.U. & Ewelukwa, U. (2012).*Nhazi asụsụ Igbo maka ule seniọ sekọndịrị na kọleji, W.A.S.S.C.E., N.E.C.O., G.C.E., J.A.M.B*. Onitsha: A.C. Global publishers.

Okoro, L.C. (2011) Mpanaka onyenkuzi. Owerri: Ark Publishers.

Ubesie, T.U. (1973). *Isi Akwụ Dara N'ala.* Oxford: Oxford University press.

Ụzọchukwu, S. (2004).*Akanka Agụmagụ na Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz and Manilas publishera

**Nkọwa Okwu ụfọdụ**

| **Okwu Igbo** | **Okwu Bekee** |
|---|---|
| Agwa ndagharị | round character |
| Agwa rarịị | flat character |
| Ekereuche | imagination/creativity |
| Ewetaeti | episodic incidents |

| | |
|---|---|
| Girisii | Greece |
| Ndịnaya | content |
| Nkamma | aesthetics |
| Nnyocha | Criticism |
| Ndokọ amọmakọ | narrative structure |
| Nsiede | written convention |
| Nsicha | contrasting |
| Nsikwu | comparing, comparism, comparative |
| Nsieme | dramatic convention |
| Nsirihụ odee | writer point of view |
| Ntụ cha agụ magụ | literary analogy |
| Nnyocha agụ magụ | literary criticism |
| Onyocha | researcher |
| Obinkonelu | suspence |
| Olu odee | tone of the writer |
| ọdịdị | form |
| ọdịnịgha | prose |